# Olee Ihe Dị Iche na Foto Abụọ A?

**Lee ma ị ga-amatali ihe atọ dị iche na foto nke A na nke B. Dee ihe ị chọpụtara n'okpuru ebe a, teekwa foto abụọ a kreyọn.** IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ 1 Samuel 16:1-3, 6-13.

**1** ..............................................

**2** ..............................................

**3** ..............................................

**4.** Olee foto nke esetara? Ọ̀ bụ nke A ka ọ̀ bụ nke B?

IHE UNU GA-AKPARỊTA: **Olee ebe Jehova na-ele mmadụ anya ma ọ chọọ ịmata ụdị onye onye ahụ bụ? Mgbe Baịbụl sịrị na "Jehova na-enyocha obi," gịnị ka ọ pụtara?** IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ Jeremaya 17:10. **Ihe ka Jehova mkpa ọ̀ bụ otú mmadụ dị n'elu ahụ́?** IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ Ilu 11:22; 31:30; 1 Pita 3:3, 4. **Olee àgwà ndị ga-eme ka ị bụrụ ezigbo mmadụ n'anya Chineke?** IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ Luk 10:27; 2 Pita 1:5-8.

IHE UNU GA-EMEKỌ ỌNỤ: **Gụọnụ Ndị Galeshia 5: 22, 23. Werenụ mpempe akwụkwọ itoolu dee ihe itoolu ahụ so ná mkpụrụ nke mmụọ nsọ. Jirinụ soloteepụ nyapawa otu n'ime mpempe akwụkwọ ndị ahụ n'azụ otu onye. Unu ekwekwala ka ọ mara ihe e dere n'akwụkwọ ahụ a nyapawara ya n'azụ. Gwazienụ onye ahụ ka ọ jụwa unu ajụjụ ndị ga-enyere ya aka ịmata ihe ahụ e dere n'akwụkwọ ahụ. Ọ bụrụ na ihe ọ jụrụ bụ eziokwu, unu asị ya "ee," ọ bụrụkwanụ na ọ bụghị eziokwu, unu asị ya "mba."**

**A.**



**B.**



Ọ bụrụ na ị chọrọ ibipụtakwu ụdị ihe a ka ezinụlọ unu jiri ya na-amụ ihe gaa na **www.jw.org/ig**

**1.** Ewu dị na foto nke mbụ, mana ehi dị na nke abụọ. **2.** E nwere nwaanyị na nke mbụ, ma e nweghị nwaanyị na nke abụọ. **3.** Samuel nya karama akpụkpọ mmanya na nke mbụ, mana ọ nya mpi mmanụ na nke abụọ. **4.** B.

www.jw.org © 2012 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania